Food and Agriculture Organization of the United Nations

Global Soil Doctors Programme

Akụrụngwa dị n'aja ala– Exercise B01

# Ihụta ka Mgbọrọgwụ ji Eme [1]

*Akwụkwọ ihe esere ese maka nkuzi n. 8a*

## URU Ọ BARA

Ịchọpụta otu mgbọrọgwụ si etoba n'ime ala ma na-agbasa pụrụ ikpuhe oke ihe mgbochi ọ na-ezute n'imiba n'ime ala, dika ibe ala ndi siri ike, gbochie mgbọrọgwụ igbatịrị na-aba n'ime ala, mee ka mgbọrọgwụ na-eto n'akụkụ di icheiche.Ihe dị otu a na-egbochi ihe a kụrụ n'alaito nke oma site n'imita mmiri na nri site n'ala, belata ịdị ire nke ntụaụkụ ubi, mee ka mmiri bupusi nriala ma belata ogo iru nne nke ihe ubi, onwu mgbọrọgwụ ma o bu ire ure nwere ike isite n'ihi umu ahụhụ na ọria karisia n'ala ebe mmiri na-adokari, nyakọtara nke ukwuu nke ikuku na-anaghị aba nke ọma.

## NGWA ỌRỤ

| | | |
|---|---|---|
|  |  |  |
| Shọveelụ | (supatula) | Enyo n'eme ka ihe buo ibu |

## USORO E JI EME YA

| | |
|---|---|
| 1. Gwuo olulu ruru cm 40x40x40 (70x70x70x70cm); ma ọ bụrụ achọrọ ịkụ mkpụrụ osisi, jiri tọrọweelụ ma ọbụ shọveelụ ma ọdịrị mfe dote block ndịahụ egwupụtara egwupụta. |  © D. Ochoa |
| 2. Jiri ihe e ji akọta aja (spatula) mee ka elu block ahụ dị ọcha iji nwee ike hụ mgbọrọgwụ ya. |  © S.Pioli |
| 3. Iji mee ka nyocha ahụ zuo oke, jiri supatụla hichasia ebe a na-ahụ anya n'elu ala ahụ I gwuru ma hụ ka usoro mgbọrọgwụ ahụ si di, ọ bụ enyo na-eme ka ihe buo ibu ka I ga-eji (ma ọ dị mkpa). |  © S.Pioli |

| | |
|---|---|
| URU NKE USORO A | Ọ dị nfe ịhụta site na ngwọrụ ole n'ole. |
| IHE MGBOCHI NKE USORO A | A ga-enyocha usoro mgbọrọgwụ di icheiche n'aja ala di icheiche iji were otu tinyere ibe ya. |
| AJỤJỤ A GA AZARỊRỊ | Aja ahụ ọ na-ekwenye ka ihe akụrụ n'ala nwee uto mgbọrọgwụ ahụ gbasiri ike?<br>Kee otu mgbọrọgwụ ahụ si ba mie n'ime ala?<br>Kee otu mgbọrọgwụ ahụ si gbaa dimkpa?<br>Olee otu ahụ si sie ha ike?<br>ọ na-adịrị mgbọrọgwụ ndi a nfe ito n'ala ndi ahụ ka ha na-etoro baa n'ebe ọzọ? |

| Ọmụmatụ nke nyocha | | |
|---|---|---|
| ỤDỊ N'ADỊGHỊ MMA | NKE DỊTỤ MMA | NKE DI EZIGBO MMA |
| Mgbọrọgwụ ole na ole di ndụ ma o bụ nwere nsogbu uto, hịkọrọ ahịkọ, na-erubachagị nime ma ọ bụ na-eru akanri akaikpa ma na-akpụkọta ọnụ. Ndi na-eru mkpo nke nwere mkpụrụ. Ọnọdụ a pụrụ ipụta ọbụna ma oruo n'elu ma ọ bụ n'ebe di ala. | Mgbọrọgwụ dị mma ma buo ibu, nke nwere agalaba dị icheiche na ntụtụ mgbọrọgwụ. | Ọtụtụ mgbọrọgwụ ndi n'eruba nime ala, wara agalaba di icheiche. Mgbọrọgwụ pụrụ ito n'enweghị ihe mgbochi ana ahụ anya ma ọ bụ nke ana-anaghị ahụ anya, ha na-eruba ime. Mkpokoro ya na-enwe mkpụrụ dị mma na mkposi anụmanụ na uke osisi na-enye ezi okpomọkụ. |

[1] https://www.nrcs.usda.gov/Internet/FSE_DOCUMENTS/nrcs142p2_050956.pdf